An Roinn Dlí agus Cirt,
Gnóthaí Baile agus Imirce
Department of Justice,
Home Affairs and Migration

# OZI DỊ MKPA

## Ngalaba na-ahụ maka nchedo mba ụwa (International Protection Office) na-anabata ma na-enyocha arịrịọ n'ebe abụọ dị iche iche

Ezinụlọ nwere nwa maọbụ ụmụaka na-erụbeghị afọ 18, ebe ha niile nọ otu ụbọchị, ga-aga:

Citywest Convention Centre, Garter Lane, Saggart, Co. Dublin, D24 KF8A.

Ndị si na mba Albania, Algeria, Bosnia na Herzegovina, Botswana, Brazil, Egypt, Georgia, India, Kosovo, Malawi, Montenegro, Morocco, North Macedonia, Serbia, na South Africa kwesịkwara ị ga na Citywest Convention Centre n'adreesị e depụtara n'elu.

Ndị ọzọ niile na-arịọ nchedo, nke gụnyere ndị na-edebanye aha maọbụ na-etinye arịrịọ maka onye dabere na ha, ga-aga:

Timberlay House, 78–83 Lower Mount Street, Dublin 2, D02 ND99.

## Ebee na mgbe m nwere ike idebanye arịrịọ?

Ezinụlọ nwere nwa maọbụ ụmụaka na-erụbeghị afọ 18 ga-aga na Citywest ma ọkụọ elekere 8:00 nke ụtụtụ ruo 2:30 nke ehihie, Mọnde ruo Fraịdee.

Ndị si na mba Albania, Algeria, Bosnia na Herzegovina, Botswana, Brazil, Egypt, Georgia, India, Kosovo, Malawi, Montenegro, Morocco, North Macedonia, Serbia, na South Africa kwesịkwara ị ga na Citywest n'otu oge ahụ: 8:00am–2:30pm, Mọnde ruo Fraịdee.

Ndị ọzọ niile na-arịọ nchedo ga-aga na Timberlay House, Lower Mount Street, Dublin 2, site na elekere 9:00 nke ụtụtụ ruo 2:30 nke ehihie, Mọnde ruo Fraịdee.

## Gịnị ka m ga-eweta?

Akwụkwọ gọọmenti dị ka paspọtụ na/maọbụ asambodo ọmụmụ.

Ihe ndị ọzọ maka gị na ezinụlọ gị, dịka obere ihe oriri maọbụ ọgwụ.

## Gịnị ga-eme n'ebe ahụ?

- A ga-ewere akara mkpịsị aka
- A ga-ese gị foto

- A ga-enye onye ntụgharị asụsụ
- A ga-edezu akwụkwọ arịrịọ gị
- A ga-enye kaadị obibi nwa oge nta ma ọ bụrụ na arịrịọ gara nke ọma
- A ga-enye gị ebe obibi ma ọ bụrụ na-achọrọ ya maọbụ na ọ dị site n'aka IPAS.